ỊGBA N'IRO NA MMETỌ UGWU NWAANYỊ N'AKWỤKWỌ NDỊ A HỌỌRỌ

Si N'Aka
Judith Chinenye Okafor
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka Na Eshia
Mahadun Nnamdị Azikiwe, Awka
Cj.okafor@unizik.edu.ng
08069099104

Na
Chidimma Anthonia Ejioforbiri
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka Na Eshia
Mahadun Nnamdị Azikiwe, Awka
ca.ejioforbiri@unizik.edu.ng
08134728087

Ụmị edemede
Alụmalụ bụ ezi njikọ juputara n'udo, ịhụnanya na anụrị. Mana n'ụwa anyị nọ taa, njikọ a bụzị nke juputara n'ọgbaaghara na katakata. Nke a bụ n'ihi nnukwu ajọ agwa ịgba n'iro nke ụfọdụ ụmụ nwaanyị lụrụ di na-akpa. Nchọcha a lebara anya n'inyochapụta ọnọdụ ịgba n'iro di ka o si pụta ihe n'Isi Akwụ Dara N'Ala, na Onye Chi Ya Akwatughi. Ebumnuche anyị bụ ịchọpụta ihe na-ebute ọnọdụ dị otu a. Ọzọ bụ ịchọpụta ụdị nsogbu na-esi n'ịgba n'iro apụta.Ebumnuche ọzọ bụ ịchọpụta ụzọ a ga-esi gbochilata agwa dị otu a n'ala Igbo. Usoro a gbasoro wee mee nchọcha a bụ usoro sọvee. E ji Atụtụ Nnyocha Akparamagwa wee nyochaa akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ. Anyị chọpụtara na ihe na-ebute ọnọdụ di otu a bụ nsogbu na-adapụtara mmadu, oke ọchịchọ na enweghi ndidi. Nsogbu ịgba n'iro na-ebute dị ka nchọcha a si chọpụta bụ ihe isiike, mkpụtọ ugwu na ajọ ndụ. Etu a ga-esi gbochilata nsogbu ndị a bụ site n'ịgba alụkwaghịm, di na nwunye inwe ezi ịhụnanya n'etiti onwe ha nakwa nwoke na nwaanyị chọrọ ịbanye n'alụmalụ inwe ezi mmụta banyere alụmalụ ma ghọta ọkwa ahụ ha na-achọ ịbanye na ya nke ọma tupu ha abanye. Nchọcha a ga-abara ọha mmadụ uru ime ka ha mata na ọnọdụ mmadụ nọ na ya nwere ike ime ya ka o kpaa agwa o tosịghị ịkpa. Ọ ga-enyekwara ndị alụbeghị di aka ịmata na alụmalụ abụghị egwu achị ụtaba n'aka agba. Nke a ga-eme ka ha ghọta nke ọma ihe ọ putara tupu ha abanye na ya. Ọ ga-enyekwara ndị na-akpa ụdi agwa a aka ịmata na ọ bụghị etu akị ilu si ada na ntị ka o si atọ.

1.0 Okwu mmalite

Alụmalụ bụ omenala sere elu na ndụ ndị Igbo ma bụrụkwa nke ndị Igbo na-asọpụrụ. Ha na-agbakwa mbọ iwulite omenala a iji hụ na ọ bụ ihe o tosiri ibụ.

Ekwealor (2010:130) kwadoro nke a oge ọ kwuru sị na "alụmalụ bụ nnukwu ihe na ndụ ndị Igbo". Ọ gara n'ihu kwuo na "ka alụmalụ si dị ka mkpa na ndụ ndị Igbo nke na a na-eleda nwoke alụbeghi nwaanyị anya mgbe ọ bụla a na-ekwu okwu dị mkpa. N'otu aka ahụ kwa, a na-ele anya na oge nwa agbọghọ ọ bụla tozuru ihe e ji nwaanyị eme na ọ ga-alụ di". Nke a pụtara na a tụrụ anya na ma nwoke ma nwaanyị n'ala Igbo tosiri ilụ di ma ọ bụ nwaanyị iji tozuo etozuo ma nwetakwa ugwu ruuru ya n'aka ndị mmadụ.

Ọ naghị atọ ụtọ na ntị ma a sị na mmadụ nwụrụ n'alụghi di ma ọ bụ nwaanyị. Ebe ọ bụ na ndị Igbo na-ahuta alụmalụ dị ka nnukwu ihe na ndụ ha, e tosiri ka ọ bụrụ nke a na-akwanyere ùgwù pụrụ iche.

Ọzọ, ebe ọ bụ na alụmalụ na-eme ka mmadụ tozuo etozuo ma nweta ugwu ruuru ya n'aka ndị mmadụ, o tosiri ka ndi ahụ nọ na ya hụ na ha emetọghi ugwu a. Nke a ga-eme ka udo na ịhụnanya na-adịgide na ya bụ njikọ.

N'agbanyeghị udo na ịhụnanya asi na ya apụta, ọtụtụ alụmalụ n'ala Igbo bụzi nke jupụtara na mpụ na arụrụala dị iche iche, nke ịgba n'iro so n'otu n'ime ha. Igba n'iro bụ oge nwoke ma ọ bụ nwaanyị lugoro di ma ọ bụ nwaanyị malitere iga ije dị aṅaa site n'ime ka ya na nwoke ma ọ bụ nwaanyị ọzọ na-enwe mmekọ ndina. Igba n'iro nwere ike ịdị n'ụdị dị iche iche dị ka nwoke ma ọ bụ nwaanyị lurula dị ma ọ bụ nwaanyị ịgba akwụna, ikpa nkata dị aṅaa, ịga ebe etosighị etosi ma ọ bụ inwe mmekọ ahụ na-abughi nke ya na di ma ọ bụ nwunye ya mere (Handy 1998). Ọnọdụ ịgba n'iro a bụ nke jupụtara ebe niile nke na ọtụtụ ezi na ụlọ esila n'ọnọdụ dị otu a gbasachaa. Nke a bụ nnukwu ihe ọjọọ, ọ kachasị n'ebe nwaanyị nọ na di nọ.

Ọ bụ site n'ihe ọjọọ ndị a na-eme n'ala Igbo ugbu a mere nchọcha a ji elebakarị anya n'ọnọdụ ịgba n'iro dị ka ọ si gbasa ụmụ nwaanyị lụrụla dị. Mana ụdị nleba anya nchọcha a bụ nke si n'akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ. Akwụkwọ abụọ nchọcha anyị gbadoro ụkwụ na ya bụ *Isi Akwụ Dara N'Ala* na *Onye Chi Ya Akwatughi.* Anyị chọrọ isi n'agụmagụ ndị a kọwaa maka ndụ a na-ebi n'ala Igbo. Anyi na-esi na ya dị ka ugegbe, egosi ndụ a ana-ebi n'ala Igbo tụmadị ebe ọ metụtara ịgba n'iro na nsogbu na-eso ya.

Ebumnuche anyị ji eme nchọcha a bụ iji chọpụta ihe na-ebute ọnọdụ dị otu a. Nke abụọ bụ ịchọpụta ụdị nsogbu na-esi n'ịgba n'iro apụta. Nke atọ bụ ịchọpụta ụzọ a ga-esi gbochilata agwa dị otu a n'ala Igbo. Usoro anyị na-agbaso n'ime nchọcha a bụ usoro sọvee. Atụtụ na-enyere anyị aka ịtụcha nchọpụta nchọcha a bụ Atụtụ Nnyocha Akparamagwa.

N'iji hụ na nchọcha a gara nke ọma, anyị nyere ya ezigbo nhazi. ọ nwere okwu mmalite, ntụleharị agụmagụ, ntụcha nchọpụta nchọcha na nchịkọta nchọpzta nchọcha na mmechi. A bịa n'okwu mmalite, anyị ji ya akpọlite mmụọ ọgụụ ma na-akọwakwa gbasara ihe kpatara nchọcha a. Ntụleharị agụmagụ bụ ebe anyị na-atụleharị ihe ndị maara nke ekwe na-akụ derela banyere isi okwu a. Ọ bụ n'isi nke atọ ka anyị ji atụcha nchọpụta nchọcha anyị. Ihe na-esote ya bụzị nke ikpeazụ, ebe anyị na-achịkọta nchọpụta nchọcha ma weta edemede anyịn'isi njedebe.

Nchọcha a ga-abara ọha mmadụ uru ime ka ha mata na ọnọdụ mmadụ nọ na ya nwere ike ime ka ọ kpaa agwa ọ etosighị ịkpa. ọ ga-enyekwara ndị alụbeghị di aka ịmata na alụmalụ abụghị egwu achị ụtaba n'aka agba. Nke a ga-eme ka ha ghọta nke ọma ihe ọ pụtara tupu ha abanye na ya. Ọ ga-enyekwara ndị na-akpa ụdị agwa a aka ịmata na ọ bụghị etu akị ilu si ada n antịka o si atọ.

2.0 Ntụleharị Agụmagụ

N'ebe a, anyị ga-eleba anya n'echiche ndị odee dị iche iche gbasara isi okwu nchọcha a.

2.1 Asụsụ.

Asụsụ bụ nnukwu ụzọ pụrụ iche mmadụ na ibe ya si emekọrịta. E nwere ike ikwu na ọ bụ ụzọ mmadụ wepụtara nke ha ga-eji na-enwe mmekọrịta. Ọfọmata (2012) na-ekwu na ọ bụrụ na asụsụ adighị, mmadụ na mmadụ ibe ya inwe mmekọrịta ga-ahịa nnukwu ahụ, na ọ bụ asụsụ ka e ji eme ihe dum mmadụ na ibe ya na-eme. Nke a pụtara na asụsụ bara nnukwu uru na ndụ mmadụ. E wepụ asụsụ, ọ ga-ahịa ndịmmadụ ahụ ịkọwapụta echiche obi ha. ọ bụrụ na mmadụ enwehị ike ikọwapụta etu o si dịrị ha, a mara na ezi mmekọrịta agaghị adị n'etiti mmadụ na ibe ya.

N'aka nke ha, Umeọdịnka, Ugochukwu, Ọgwụdile na Ilechukwu (2019) na-akọwa na nchọpụta dị iche iche e mere banyere asụsụ gosiri na ọ bụ naanị mmadụ nwere akọ na uche na-eji asụsụ eme ka mmadụ ibe ya mata ka ihe si aga kwa ụbọchị, ihe egwu o zuterela, agamnihu ya na ndụ, atụmatụ ya maka oge dị n'ihu, ma ọ bụkwanụ maka ụjọ na iru uju. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ mkpa mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya mere asụsụ jiri malite. Ya bụ na ọ bụrụ na e wepụ asụsụ na ndụ mmadụ, ọ ga-ahịa ahụ mmadụ na ibe ya, obodo na obodo inwe mmekọrịta.

2.2 Asụsụ Igbo

Tupu asụsụ abụrụ nke a a nabatara maka iji na-enwe mmekọrịta, ọ ga-abụrịrị nke obodo nabatara ma nwee nkwekọrịta na ya. N'ihi nke a, asụsụ a nabatara maka iji na-enwe mmekọrịta n'ala Igbo bụ asụsụ Igbo. Ikekọnwụ, Ezikeojiakụ,

Ụbanị na Ugọjị (1999) kọwara asụsụ Igbo dị ka otu n'ime asụsụ atọ e wepụtara dị ka asụsụ ala Naijiria a ga na-akụzi n'ụlọ akwukwọ ọtaakara, sekọndịrị, koleji edukeshọn na Mahadum. Ha gara n'ihu na-ekwu na asụsụ Igbo bụ ihe e jiri mara agbụrụ a na-akpo Igbo. N'ịtụlegharị okwu odee ndị a, o doro anya na asụsụ bụ ihe nwere usoro. Asụsụ ọ bụla nwere ndị nwe ya. Ndị nwe asụsụ Igbo bụ ndị Igbo.

2.3 Agụmagụ Ederede

Agumagu bụ ụzọ pụrụ iche ọtụtụ ndị odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. Nwokoye (2019:12) na-ekwu na "agumagu nwere ike ịbụ ihe e ji akọwa maka ndụ na ihe na-ewuru ndị n'oge nke ha". Nke a pụtara na ọtụtụ ndị odee na-esite n'akwụkwọ agụmagụ ha zipụta ọnọdụ dị iche iche ndị mmadụ nọ ya. N'ime nke a, ha na-eto ma ọ bụ akato ọnọdụ dị otú a.

Okoh (2008) na-akwado nke a site n'ikwu na agụmagụ nwere ike ịgbaziri anyị, mee ka anyị nwee mmụta gbasara ụwa na ihe ndị na-eme na ya. N'ihi nke a, e nwere ike ịsị na agumagu bụ enyo e ji ahuta ndụ. Agumagu bụ gbasara mmadụ na gburugburu ya. Ọ na-enyocha mmadụ dị ka ya na ihe ndị dị na gburugburu si emekorita. Ọ na-eleba anya n'ezi ihe na nsogbu na-adapụta n'ọnọdụ ọ bụla. Ọ na-akọwa maka agamnihu na ndaghachi azụ nke mmadụ, ike na adịghị ike ya nakwuazi etu oge na gburugburu si emetụta ihe ndị a. Isi ihe kasị mkpa n'agụmagụ bụ iji mee obi ụtọ nakwa iji nye mmụta.

Duru (2014:1) hụtara agụmagụ dị ka ụzọ ndị ode si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. ọ gara n'ihu na-kwu na ndị odee na-ede agụmagụ anaghị ede ya naani maka inwe ihe e deturu n'akwụkwọ, kama ha na-aga n'ihu ịkọwara ndị mmadụ ihe ndị na-eme n'ụwa. N'ihi nke a, agụmagụ gụnyere ihe dum gbasara ebimndụ nke ndị mmadụ na-esi na ya enwe obi ụtọ na mmụta.

Obichukwu (2009:12) na-akọwa agụmagụ dị ka ihe dum sitere n'echiche mmadụ nke e kwuru ekwu ma ọ bụ nke e dere ede, bụ nke na-enye aka igosipụta na izipụta ndụ na omenala ndị. Ọ na-esite n'ihe ndị merela eme ruo n'ihe ndị na-eme eme wee banye n'ihe ndị ga-eme n'ihu. Nke a pụtara na agụmagụ na-arụtụ aka n'ihe dum gbasatara mmadụ na etu ya na ihe gbara ya gbururgburu si emekọrịta.

Akporobaro (2012:2) n'aka nke ya na-ahụta akwụkwọ agụmagụ dị ka akọmakọ nke a na-esite n'agwa na mmewere agwa ndị dị n'akụkọ ahụ were ezipụta ihe dị iche iche ndị mmadụ na-agabiga na ndụ nakwa echiche dị iche iche. Ihe nke a pụtara bụ na ndị odee agụmagụ na-esite na agwa ndị ha jiri zipụta akụkọ ha were agba n'anwụ ihe dị iche iche na-eme na ndụ.

2.4 Uru Agụmagụ Bara

Agụmagụ bara nnukwu uru na ndụ nakwa n'amụmamụ. Ọkpụrụkpụ uru agụmagụ bara, dị ka Akporobaro(2012:2) si zipụta ya bụ na eji ya anọrịoge, ọ na-agbaziri mmadụ, ọ na-abawanye echiche ma na-akọwara ndịmmadụ. Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ bụ ohere ndị ode ji ezipụta nka, echiche na ihe ndị ha hụrụla banyere ndụ. Duru (2014:2) kwadoro echiche a oge ọ na-ekwu sị na agụmagụ na-enye aka ime ndị mmadụ obi ụtọ ma na-eme ka ha nọrọ n'obi anụrị. ọ na-agbakwa n'anwụ ihe dum banyere ndụ. Ọ na-akọwakwa na anyị na-esite n'agụmagụ enweta ohere ịmụta na ịmata nke ọma ezi obibi ndụ n'ụdị ya dị iche iche. N'ihi nke a ka Anaekeokwu (1998:11) ji kwuo na agụmagụ na-achịkwa ezi obibi ndụ n'obodo site n'ịhazi akparamagwa.

2.5 Agụmagụ Na Omenala

Agụmagụ na-ezipụta ihe dum banyere etu ndị mmadụ si ebi ndụ ha n'obodo. Duru (2014:2) kwadoro nke a oge O kwuru na agụmagụ "bụ enyo e ji amata omenala ndị". Nke a na-egosi na agụmagụ hiwere isi n'omenala. Omenala, n'aka nke ya, bụ usoro ndị si ebi ndụ ha. E nwere ọtụtụ omenala dị iche iche n'ala Igbo, mana nke nchọcha anyị gbadoro ụkwụ na ya bụ alụmalụ. Anyị ga-eleba anya n'ihe ndị odee derela banyere alụmalụ.

2.5.1 Alụmalụ

Alụmalụ pụtara ijikọ nwoke na nwaanyị dị ka di na nwunye ka o siri dị n'omenala. Nke a ga-eme ka ụmụ ha ga-amụta bụrụ ụmụ ziri ezi n'anya ọha na eze ma bụrụkwa oke dịịrị nne na nna Ekwealor (2010:130). Alụmalụ bụ ihe na-adị n'etiti nwoke na nwaanyị. ọ bụ omenala pụrụ nnukwu iche n'ihi na ọ bụ site na ya ka ezi ọmụmụ si apụta. N'iji kọwaa etu alụmalụ si dị mkpa na ndụ ndị Igbo, Ubesie (2004:44) na-ekwu na ọ na-abụrụ ezi na ụlọ ihe ihere ma ụmụ agbọghọ toputachaa na be ha, ma ọ nweghị nwa okorobịa na-abịa ajụ ase maka ịlụ otu n'ime ha, n'ihi na ndị Igbo na-ekwu n'okwu sị, "agbọghọ tokarịa onye mụrụ gị a jụwa onye na-alụ ya".

Osuagwu (1979:37) na-akwadokwa echiche a oge o kwuru na alụmalụ bụ ihe dị oke mkpa nke mere na adịghị agụnye nwoke na-alụghịnwaanyị n'oke ọ bụla nwere ugwu na nsọpụrụ. Ọ bụ nke a mere e ji akpọ nwoke na-alụbeghị nwaanyị aha nleda dịiche iche dị ka okokporo na ọ tụtụrụ ọ taa. N'aka nke ya, Nzeako (1972:15) kwukwara na nwoke na-agagharị n'ala Igbo wee na-eto naanị okorobịa wee ghara ịkpata nkata ịlu nwunye, ndị mmadụ na-ewere ya dị ka onye akaraogeri, onye nọ na-achụ ngwere mgbe ibe ya na-achụ oke. Ha na-ekwu na ọdị mmadụ ahụ adịghị anapụta ọkụkọ ụkpana.

N'izipụta oge alụmalụ malitere n'ala Igbo, Osuagwu(1979:37) na-akọwa na alụmdi na nwunye bụ ihe malitere mgbe gboo- mgbe e kere ụwa. Ọ dịghị onye

na-asị na ya malitere ya, kama akwụkwọ nsọ kọwaara anyị otu Chineke si kee nwoke kekwaa naanyị ka ọ na-enyere ya aka. O nyekwara ha ngozị nke ọmụmụ na ụba n'ụwa. Site n'ebe a, alụmdi na nwunye wee bata n'ime ụwa, wee bụrụ ihe na-esi n'otu ọgbọ ruo nke ọzọ. Ọ bụ otu a ka o siri bata n'ala Igbo ebe anyị matara na akụkọ kọrọ na ndị Igbo bụ agbụrụ ndị Juu.

2.5.2 Nsọala na Alụmalụ

N'ihi na alụmalụ bụ omenala pụrụ iche n'ala Igbo, ndị Igbo na-asọpụrụ ya nke ukwuu. E nwere omume a tụrụ anya na nwoke na nwaanyị na-alụ di na nwunye agaghị na-akpa. Ọ bụrụ na ha akpaa ụdị agwa a, ọ nwere ike ibute nkewa n'ezi na ụlọ ahụ. Osuagwu (1979:49) na-akọwapụta ọtụtụ ihe na-eme ka nwoke na nwanyị gbasaa nke gụnyere ịkwa iko ma ọ bụ ịgba akwụna. N'aka nke ya Nzeako (1972:30) na-akọwapụta ajọ agwa dị iche iche na-apụta n'alụmalụ bụ nke nwere ike ibute nkewa. Ajọ agwa ndị ahụ gụnyere; nwoke na-aṅụ oke mmaị, nke na-adịghị enwe ike alaghachi n'ụlọ ya mgbe ọ ṅụchara mmaị; ma e leghị anya nwaanyị di ya na-eti ihe kwa ụbọchị, merụọ ya ahụ mgbe ọ ṅụchara mmaị. Nwoke inwe ọtụtụ ndị enyi, ndị ọ na-emefu ọtụtụ ego n'isi ha, ma ọ na-adịghị enye ya, bụ nwunye ya na ụmụya ego ihe oriri. Nwaanyị ịga n'ezi na n'uzo wee na-achọkọta ndị ọyị, ha na ya na-ehi ụra otu o siri dị ya mma na-enyeghị onwe ya na di ya ugwu. Nwaanyị na-ezu ohi, nke mere na kwa mgbe, e jide nwaanyị ahụ menye ya ihere n'ihu n'etiti ọha mmadụ.

Ihe ndị a gosiri na, ma nwoke ma nwaanyị, na-alụ di ma ọ bụ nwunye tosiri ịkwanyere onwe ya ugwu hụ na ọ kpaghị agwa ga-ebute nkewa. Nchọcha anyị n'ebe a hiwere isi n'ịchọpụta etu agwa ịgba n'iro si ebute mmetọ nyere ugwu nwaanyị.

2.6: Akụkọ Si N'Agụmagụ Ndị A Họọrọ

A tụrụ anya na ọ nwere ezi ihe akwụkwọ agụmagụ ọ bụla ga-akụziri ọgụụ. N'igbado ụkwụ na nke a, ndị odee *Isi Akwụ Dara N'ala na Onye Chi Ya Akwatughi* gbara mbọ iziputa ọnọdụ nwaanyị ịgba n'iro n'akwụkwọ ha iji katọọ agwa dị otú a. Ndị odee a gbara ajọ agwa a n'anwụ site n'iziputa ọnọdụ dị iche iche nwere ike ịbụtere nwaanyị ịgba n'iro, ụzọ dị iche iche nwaanyị si agba n'iro tinyere uru na ntaramahụhụ so ajọ agwa a.

2.6.1 Nchịkọta *Isi Akwụ Dara N'Ala*

Isi Akwụ Dara N'Ala bụ akwụkwọ akụkọ si n'aka Tony Ubesie nke e bipụtara n'afọ 1973. Ọ bụ akụkọ gbasara otu nwa agbọghọbịa a na-akpọ Ada. Ada na-arụ ọrụ Bekee, mana otu ihe kọrọ ya bụ na ọ nweghị di. Ọnọdụ a na-ewute ya nke ukwuu n'ihi na ụmụ nwaanyị niile ha na ya na-arụkọ n'otu ụlọ ọrụ alụchaala di, ọ fọdụ ya.

E mechara otu nwa okorobịa bụ sọ mma ma nwee ego bịara ya di. Nwoke a bụ Chike. Ọ bụ onye a ma ama n'obodo dị ka Akajiakụ. Ada egbughi oge ikwere ya di n'ihi na ọ bụ ihe ọ na-achọ eri oge ka Chineke ziteere ya.

Di na nwunye a na-ebi nke ọma na-enweghị nsogbu ọ bụla. Ha mụtara ụmụ abụọ; otu nwoke na otu nwaanyị. Aha ha bụ Chukwuma na Obianuju. Ezi na ụlọ a na-ebi n'udo ruo na agha Biafra adaa n'afọ 1967. Agha a mere ka Chike kpọrọ ezi na ụlọ ya si ebe ha bi n'Enugu gbapụ ọsọ ndụ gbalata Ọka. N'Ọka, Chike nwere nnukwu ụlọ elu buru nnukwu ibu. Ọ bụ ebe ahụ ka ha gbalatara ọsọ ndụ ha. E mechara agha bata Ọka nke mere ka Chike kpọrọ ezi na ụlọ gbalaa Agụata.

N'oge a, ihe gbanwere, Chike anaghị adịzị etu ọ na-adị. Ego kọrọ ya n'akpa. Ọ naghị eletazị ezi na ụlọ ya anya dị ka o si emebu. Mana ọ gbara mbọ ịmalitere Ada nwunye ya ahịa. Omume Ada malitere gbanwebe. Ebe ọ bụ na ọ bụzị ya na-eweta ihe a na-eri. Ọ naghị ahụtazị di ya ka ihe ọbụla. Ọ malitere iso ndị amị. Nke kacha ewute Chike bụ na ọ na-akpọbata ndị ọyị ya nwoke n'ụlọ ha. Ugboro ugboro ka ọ kpọtara ndị ọyị ya ndị amị ka ha tie Chike ihe n'ihi na ọ na-egbochi ya ime etu ọ masịrị ya. Omume a Ada na-eme na-ewute Chike nke ukwuu. A sị na ọ bụghị agha, onye ka Ada bụ inenye ya ihere n'ihu. Chukwuma nwa ya kpọkwara nne ya asị n'ajọ omume a. Ada mechara si na be di ya kwapụ, ga chọrọ otu ọnụ ụlọ na Nanka biri. Ebe ahụ ka ọ na-emerezị etu ọ masịrị ya. Ọ naghịzị achọ ịmata ka di ya na ụmụ ya mere. Ahịa ya na-agakwara ya nke ọma nke na ọ na-ebi ka a ga-asị na agha erughi na be ya.

E mechara agha wee laa. Ihe wee tụgharịa. Chike nwetara ihe niile o tufuru n'agha wee bụrụkwa ọgaranya. Ọnọdụ Ada gbanwekwara. Ego ya niile dara mmiri. Ọ nweghịzị ihe ọ nwere. Nke ka njọ bụ na ọ mụtara otu nwata n'aka ndịọyị ya. Ada mechara gakwuru otu enyi ya nwoke tụwara ya ime ka ọ lụwa ya. Mana nwoke ahụ gwara ya na ọ gaghị alụ ya n'ihi na ọ lụọla nwaanyị. Ọzọ bụ na agwa ya adighị mma ọlụlụ n'ihi etu o siri meso di ya n'oge agha. Ada jiiri ihere gakwuru Chike ịrịọ ya mgbaghara ka ọ nabatakwa ya mana Chike chịrị ya ọchị ma gwa ya na ọ gaghị alụkwa ya ọzọ.

2.7 Nchịkọta *Onye Chi Ya Akwatughi*

Onye Chi Ya Akwatughi bụ akwụkwọ akụkọ si n'aka Chinedu Ofomata nke e bipụtara n'afọ 2000. Ọ bụ akụkọ gbasara Osita, Uju na Adamma. Uju bụ nwata nwata nwaanyị nne na nna ya mụtara tupu nna ya bụ Ndụbụisi anwụọ n'ebe ọ gara ite nkwụ. Oge nna ya nwụchara, nne ya gbara nnukwu mbọ ịzụlite Uju nke ọma. Uju bụ nwata nwaanyị mara oke mma, ma nwee ezi agwa. Ọ dighị anya ndị mmadụ malitere ịbịara ya di. Ma nne Uju bụ Obiamaka achọghị ka Uju lụọ di. Ọ chọrọ ka Uju hachie ama nna ya ebe ọ bụ na ọ mụtaghị nwa nwoke. Mana

echiche a adịghị Uju mma n'obi. Ọ kachiri ntị ma lụọ otu nwa okorobịa dị ya mma a na-akpọ Osita.

Osita kpọọrọ nwunye ya Uju gbagoo ebe O bi na Bini. Ha na-ebi nke ọma. Ha hụkwara onwe ha n'anya. Mana nwa izizi Uju mụtara nwụrụ ozigbo o mere izu abụọ ọ mụchara ya. Osita mechara malitere Uju ahịa ebe ọ na-anọ ere ahịa mmanya iji chefuo ihe mgbu nke ọnwụ nwa ya. Ọ chọtakwaara ya nwata nwaanyị na-enyere ya aka n'ozi. Aha nwata nwaanyị ahụ bụ Chinwe.

Uju tụụrụ ime ọzọ wee mụọ nwata nwoke zuru oke. Nne ya bụ Obiamaka bịakwara ile ya ọmụgwọ. Ka ọ wetara aka ka omee izu asaa Uju jiri mụọ nwa, nwa ahụ ọ mụrụ nwụrụ. Ọnwụ nwa a wutere ya nke ukwuu. Ike ụwa wee gwụ ya. Osita bulatara ozu nwata ahụ n'obodo ha mana ndị be ha gwara ya na nwata ahụ bụ ọgbanje. N'ihi nke a na ọ bụ n'ajọ ọhịa ka a ga-atufu ya. Ha buuru ozu nwata ahụ gaa n'ajọ ọhịa, were mmaoge gburusie ya ma suo ya ọkụ n'ebe ahụ iji hụ na nwa ahụ abịaghachighi ụwa ọzọ.

Oge Osita lọtara Bini, ọ kọọrọ nwunye ya na ọgọ ya nwaanyị etu ya siri gaa. Ọgọ ya nwaanyị gwara ya ka ọ chọọ ebe ọ ga-akpọ nwunye ya gaa iji chọpụta ihe na-egbu nwa ya. N'ihi nke a, Osita kpọọrọ nwunye ya na ọgọ ya nwaanyị gaa na nke otu eze nwaanyị na Bini. Eze nwaanyị a gwara ha na ihe na-eme nwunye si na mmiri. Na ọ nwere otu nwunye ya nọ na mmiri tupu ọ lụọ di. Na ọ bụ iwe ndị otu ya nwere n'ebe ọ nọ mere ha ji emenye ya ihe ịgba anya mmiri. Ọ gwara ha na ọ ga alụrụ nwunye ya ọrụ mmiri iji rịọ ma kewapụ ya n'otu ahụ ka ọ nwere onwe ya. Osita na nwunye ya kwetara n'ihe Eze nwaanyị kwuru were kwado maka ọrụ ahụ ọ ga-arụrụ ha.n'ụbọchị ahụ, n'ime abalị, Osita na nwunye tinyere Eze nwaanyị ahụ gara na mmiri ebe a ga-anọ rụọrọ nwunye ya ọrụ. Ha jikwa ihe niile Eze nwaanyị gụọrọ ha ọ ga-eji rụ ọrụ ahụ. Mana ọ bụ naanị Ezenwaanyị na nwunye Osita so gbadaa n'ikpere mmiri ebe a nọ rụ ọrụ ahụ.

Oge a rụchara ọrụ n'ahụ Uju, O mechara tụrụ ime ọzọ mụọ nwa nwaanyị. Mana nwata nwaanyị ahụ ọ mụtara mechara nwụọ. Ọnwụ nwata ahụ mere ka Osita nwebe echiche abụọ maka ịlụ nwaanyị ọzọ.

Uju mechara mụkwaa na ọzọ gụọ ya Tagboo. N'oge adịghị anya nwa ahụ nwụkwara. Nke a mere ka Osita lụọ nwaanyị ọzọ aha ya bụ Adamma. Ihe Adamma jiri kweta ịlụ Osita bụ n'ihi ego ya n'ihi na o doro ya anya na Osita alụọla nwaanyị. Uju matara na ọ ga-enwe nwunye di site n'omume Osita na-eme, nke a mere na o bidoro n'oge kpakọwa ego ọ ga-eji zọọ isi onwe ya mgbe agha ga-esu. Osita mechara kpọgota Adamma na Bini. Adamma na-emeso Uju ajọ agwa nke mere ka Uju si na be di ya pụọ.

Uju lọtara n'obodo ha Umungwu ma zie ndị be Osita ozi ka ha bịa werekwa ihe ha mefuru n'isi ya na ọ naghịzị alụ. Ka Uju kwụghachichara ndị be Osita ego niile ha mefuru n'isi ya, ọ kwadoro laghachi na Bini. Ọ chọtara ụlọ ebe o bi nakwa ebe ọ ga-anọ ere ahịa mmanya ya. Ahịa ya na-aga nke ọma nke na ọ nweghị onye nọ na Bini amaghị maka Uju Cool Spot. Ọ bara nnukwu ọgaranya ma mụtakwa ụmụ atọ dị ndụ.

Adamma, n'akụkụ nke ya, nọchiri anya ebe ahụ Uju na-erebu mmanya oge Osita na-alụ ya. Ọ naghị emeso ndị ahịa ya agwa ọma. Naanị ndị ọ na-anabata nke ọma bụ ụmụ nwoke ndị ji ego. O bidoro isogharị ụmụ nwoke ndị ahịa ya ji ego na Bini. Ọ naghịkwanụ eji ego ọ na-ereta n'ahịa ya azụta ihe ndị dị mkpa n'ụlọ kama ego ya niile n'aga n'akwa na ihe ndị e ji achọ mma.omume a na-ewute Osita nke ukwuu ma na-eme ya ka ọ na-echeta Uju. Nke ka njọ bụ na Adamma malitere iso ụmụ nwoke akwụgharị n'ala Bini niile nke na ụfọdụ ndị enyi Osita malitere ịgwa ya ka o tinye anya n'ala mata etu ọ ga-esi kwọ mmiri nọ n'obu ọkpa tupu ọ bagota n'ihi na ha aghọtaghị ụdị omume Adamma na-emezzị.

Ajọ omume Adamma a na-ebutere Adamma na Osita nnukwu nsogbu nke mere na Osita na-eji maka ya eti Adamma ihe oge ụfọdụ. Adamma mechara hapụ otu nwa nwoke ọ mụtara soro otu enyi ya nwoke aha ya bụ Bola gbalaa Legọọs n'ihi na Bola kwere ya nkwa na ọ ga-alụ ya. Ọ maghịna Bọla alụọla nwaanyị. Oge ọ matara onye Bola bụ n'ezie ma matakwa na ọ lụọla nwaanyị, ike ụwa wee gwụ ya. O bidozịrị ịgba akwụna na Legọọs.

2.8 Atụtụ Nnyocha Agụmagụ

Iji mee ka nchọcha a tozuo etozu, nwanchọcha gbadoro ụkwụ n'atụtụ nnyocha agụmagụ were nyochaa akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ. Atụtụ a gbadoro ụkwụ na ya bụ atụtụ nnyocha ezi akparamagwa (moral theory). Atụtụ a na-akọwa na akwụkwọ agụmagụ ọ bụla tosiri ikụzi ezi akparamagwa. Ọ na-akọwa na ezi agụmagụ bụ nke na-eto ma ma-ewulite ezi omume. Akwụkwọ Agụmagụ ọ bụla anaghị eme nke a abụghị agụmagụ. Atụtụ a malitere n'afọ 360BC. Plato bụ onye malitere atụtụ a oge ọ kọwara na agụmagụ pụrụ ịkụzi ezi ihe ma ọ bụ ajọ ihe. Ọ na-akowakwa na akwụkwọ agumagu ọ bụla bara uru bụ nke e si na ya akụzi ezi omume (Kevin 2012). Nke a dabara n'ihe Purdue (2020) kwuru banyere atụtụ a sị, "ọ bụrụ na agụmagụ a rọrọ anaghị akụzi ezi akparamagwa na usoro obibi ndụ, ị mara na ọ bụ ihe mbibi nyere onye na-agụ ya". Atụtụ a dabara n'akwụkwọ agụmagụ abụọ nwanchọcha na-enyocha nke bụ *Isi Akwụ Dara N'ala na Onye Chi Ya Akwatughi*. Nke a bụ n'ihi na ndị odee agụmagụ ndị a siri n'akwụkwọ ha ziputa ma katọọ ajọ agwa nwaanyị ịgba n'iro ma sitekwa na ha kụziere ogụụ ntaramahụhụ nwere ike isi n'ajọ agwa a daputa.

3.0 Ntụcha Nchọpụta Nchọcha

N'ebe a ka anyị ga-anọ tụchaa ma chọpụta site n'ihe ndị mere n'akwụkwọ ndị a họọrọ ihe ndị na-ebute agwa ịgba n'iro, ụdị nsogbu ọ na-ebute tinyere ụzọ a ga-esi gbochie ya.

3.1 Nziputa Nwaanyị Ịgba N'Iro.

N'ileba anya n'iduazi abụọ a họọrọ, nwa nchọcha ga-arụtụ aka n'ụzọ dị iche iche ndị odee si ziputa nwaanyị ịgba n'iro. Nwaanyị lụrụ di anaghị anokata malite ịgba n'iro. Kama ọ bụ ihe kpatara ede jiri bee nwịị. Ihe ndị nwere ike ịkpata ọnọdụ nwaanyị lụrụ di ịgba n'iro gụnyere;

3.1.1 Nwoke adịghị ka ọ na-adibu

Oge 'mma nwoke' (ego) kọrọ n'akpa nwoke, nwunye ya nwere ike ịmalite lewe anya n'iro. Tony Ubesie zipụtara nke a n'isi Akwụ Dara N'Ala. Na mbụ Chike bụ ọgaranya a ma ama. Ọ bụ ya na-akpata ihe ya na ezi na ụlọ ya na-eri ebe Ada, nwunye ya na-aza oriaku. Mana oge ihe gbanwere, ọ bụrụzia Ada na-akpata nri, omume ya bidoro gbanwee.

> Ebe ọ bụ na ọ bụ Ada na-eweta ego ihe a na-eri, ọ malitere na-eme ka ọ ga-asị na ọ bụkwaghi Chike na-alụ ya; na ọ bụ ya na-alụ Chike.....Ada pụọ n'ụtụtụ, mgbe a na-ahụ ya anya ọzọ bụ ma ndị ihe abalị sichaa. Chike chọọ ịjụ ya ebe ọ jere ọ jụọ Chike ihe ọ chọrọ iji ebe ọ jere mee." (ihu akwụkwọ 78)

Ajọ omume a Ada na-eme mere ka Chike choba ịmata ihe mere nwunye ya ji alọta n'abalị. Ndị mmadụ na-agwakwa ya ihe dị iche iche banyere ajọ agwa a nwunye ya na-akpa.

> Akụkọ si n'elu na-abiara Chike na nwunye ya nọ na di, ma ọ kaghị
> akwụna mma. Ndị maara Chike na-akọrọ ya na ebe nwunye ya na-
> apụkarị ọrịrị ugbu a bụ n'ogige ndị amị." (ihu akwụkwọ 79)

Ịgba n'iro Ada mebiri ezi mmekọrịta dị n'etiti ya na di ya. Ha anaghịzị ebi n'udo na ịhụnanya dị ka ha si ebibu mgbe ihe dịịrị Chike mma. Chike na-edizi Ada edi ebe Ada na-ahụ Chike di ka ihe ogbatauhie dịrị ya. Ada kpụrụ ugwu ya n'ala oge ọ malitere ikpobata ndị enyi ya n'ụlọ dị ya. Nke a wutere dị ya nke ukwuu n'ihi na ọ bụ nnukwu mkparị nyere ya

> Ụbọchị Chike chọrọ ịkwụ ụdọ bụ ụbọchị ndị soja abụọ chọọro Ada
> bịa, kwụwa moto ha n'ezi, bịa jụọ Chike ma Ada ọ nọ ya. Chike
> jụrụ ha ndị ha bụ ma ọ dịghị nke tụpụụrụ ya ọnụ, hapụ ya n'ezi
> ebe ahụ, bakwuru Ada n'ụlọ." (ihu akwụkwọ 80)

Omume a Ada mere kpụrụ ugwu ụmụ nwaanyị n'ala. Agbọghọbịa alụbeghi dị anaghị a kpọbata nwoke n'ụlọ nna ya ma ya fọdụzie nwaanyị lụrụla dị ịkpọbata ụmụ okorobịa n'ụlọ dị ya n'asọghị dị ya anya. Ọ gaara ịka mma ma a sị na nwaanyị na-agakwuru ndị enyi ya nwoke na be ha karịa ịkpọbata ha n'ụlọ dị ya. Omume a Ada mere wutere Chike nke ukwuu mere o ji jụọ Ada sị :

> Kwa ụbọchị, ụmụ nwoke ana-echu be m ka a na-echu mmiri. M jụọ gị, ị sị na ha bụ ndị ahịa gị. Ugbu a, kọwaara m ihe ị zụrụ ndị soja mmadụ abụọ ndị a ha ji bụrụ ndị ahịa gị" (ihu akwụkwọ 81)

3.1.2 Agha

Ala adịghị mma nwere ike ime ka mmadụ kpaa agwa ọ kwesịghị ịkpa iji hụ na ajọ ọnọdụ a nọ na ya ataghi isi ya. Ọ bụ ezie na odee ziputara agwa Ada dị ka ajọ nwaanyi n'*Isi Akwụ Dara N'Ala* mana nke a apụtaghị na Ada hiri aka abụọ n'anya wee kpaa ụdị agwa ahụ. Oge agha adabeghị, Chike na-emere Ada ihe ọ bụla. Chike tozuru etozu na nwoke ebe Ada na-aza oriaku ma na-azasị ya ike. Odee zipụtara nkea oge ọ na-kwu na-asị ;

> Chike ji ego. Ọ nwere moto. Ọ bi n'ezigbo ụlọ dị mma. Oriakụ
> Chike Ada na-aza abụghị naanị n'ọnụ. Ọ na-eri akụ Chike,
> Kwekwa na ya na-eri ya n'eziokwu.... Ada nwere ihe niile nwaanyị na-atụ anya n'aka dị ya. Chike bụ ikpo ahịhịa na-azụrụ ọkụkọ ụmụ. Ọ na-enyere ndị mmadụ aka nke ukwuu. Ugbu a ọ lubatara nwaanyị si na ọ bụ nke ya, gịnị ga-eme na iri akụ ya agaghị eri akụọ kpara? Ọ dịghị " (ihu akwụkwọ 18)

Nke a gosiri na Ada ahụbeghị ahụhụ na ndụ ya. Chike lụrụ ya di ka ọgaranya. Ọ nweghị oge ọ nọ n'ụkọ. Ọbụla dị tupu Ada alụọ dị, ọ dịghị mgbe ihe siiri ya ike. Ọ na-arụ ọrụ ma were ego ọ lutara na-enyere ndụ ya aka. Ugbu a ọnọdụ

agbanweela, agha abatala n'obodo. Amaghịzị ọgaranya na ógbènye. Agha liri ihe niile Chike nwere. Ada ahụghị akụ anya ma ya fọdụ nke ọ ga-eri. Ibi n'ụkọ amaghị Ada ahụ ma ọlị. Ọnọdụ dị otú a mere ka Ada gbanwee agwa ya bido sowe ndị ọnwa ha na-eti (ndị amị) n'oge ahụ iji hụ na ọ dịkwa etu o si adịbu. Odee zipụtara oge Chike gara ileta Ada nwunye ya ebe ọ bi na Nanka. Ada jụrụ Chike sị; "Ugboro ole ka ị nyere m ego nri, site mgbe a malitere luwa ọgụ? Ugboro ole ka ị zụtara m uwe, site mgbe a malitere lụwa ọgụ?" (ihu akwụkwọ 114)

A sị na agha adaghị, Chike agaghị ada ogbenye, Ada agaghịkwa agba n'iro.

3.1.3 Oké ọchịchọ

Agụụ ihe ụtọ nke ụwa so n'ihe nwere ike ime ka nwaanyi gbaa n'iro. N'*Isi Akwụ Dara N'Ala,* Tupu Ada amalite ịgba n'iro, dị ya bụ Chike nyere ya ego ọ jiri bido ịzụ ahịa. Odee zipụtara nke a sị ; "Mgbe Chike kpọrọ Ada nye ya ego ahụ, ihe Ada na-akpọzị Chike bụ 'Chii'. Ada buuru ego ahụ malite ahịa nnu" (ihu akwụkwọ 68).

Ada na-emekwa ọfụma n'ahia ya nke na ezi na ụlọ ha na-eri nri ka a ga-asị na ọgụ a na-alụ erughị be ha: "onye hụrụ ha ebe ha na-eri ihe, agakwaghị ama na ọgụ a na-alụ ruru be ha". Mana ihe ndị a ejughi Ada afọ. Ọ chọrọ karịa nke ọ nwere. Nke a mere o ji malite ịgba n'iro iji nweta ihe ndị ahụ na-agụ ya agụụ.

N'aka nke ọzọ, Chinedu Ofomata n'akwụkwọ ya *Onye Chi Ya Akwatughi* ziputara etu Adamma si kworo maka oké ọchịchọ wee gbasowe ụmụ nwoke na-abịa aṅụ mmanya na nke ya. Osita bụ dị ya nwere ihe niile a na-achọ na nwoke mana oké ọchịchọ ekweghị Adamma kwanyere onwe ya ugwu. Odee kọwara sị;

> Ebe ahụ Adamma na-ere ahịa mmanya bụ naanị ụmụ okorobịa ndị ọyị ya na-ejuputa na ya. Onye na-abata, ibe ya a na-apụ. Osita anụkatala maka ije Adamma na ụmụ okorobịa, ntị chie ya..... Kwa mgbe ka ọ na-agwa Adamma ka ọ hie asaa n'anya n'ihi na ọ bụrụ na ọ na-akpa udịrị agwa ahụ na ọ bụ ugwu ya ka ọ na-akpụ n'ala na Bini."(ihu akwụkwọ 107-108)

Nke a gosiri na nwaanyị na-agba n'iro bụ ugwu ya ka ọ na-akpụ n'ala n'ezie. Ọ bụkwuazị ihe atụ ọjọọ nyere ugwu ụmụ nwaanyị. Adamma bidoro iso otu onye ahịa ya a na-akpọ Bola na-efegharị n'ala Bini. Nke a ka njọ bụ na Adamma so kpalite enyi ya na Bola;

> Ụdị anya Adamma na-ele Bola gosiri Bola na ihe ya masịrị Adamma na-echetaghị na ọ luola dị.... Bola na-emezị mgbe ọbụla ọ bịara ọ gaa bụrụ Adamma gaa ebe ọ na-anọ, ha nyochaa o bulata ya. (ihu akwụkwọ 119).

Ịgba n'iro Adamma gbara Osita dị ya gharịị. Ọ bidoro chewe ihe kpatara Adamma ji esogharị ụmụ nwoke. Nke mere o ji jụọ sị ;

> Ọ bụ ego ka ọ hụghị na be m? Ka ọ bụ ụgbọ ala ndị ọzọ nwere ka mụ enweghị? Ọ bụ mma nwoke ka m adịghị? Ka ọ bụ ego ka ọ ga-asị na mụ anaghị enye ya otú ọbụla ọ siri chọọ? Onye maara ihe bụ mkpa Adamma ya gwa m". (ihu akwụkwọ 116)

Nwannu na-agba egwú n'ụzọ nwere ihe na-akụrụ ya egwu n'ọhịa. Odee zipụtara na e nwere ihe kara Adamma obi ọ ji were kachie ntị na-eso Bola n'agbanyeghị aka niile dị ya na-adọ ya na ntị. Ihe kara ya obi bụ nkwa ọlụlụ Bola na-ekwe ya oge ọbụla sị ;

> Achọrọ m ka ị hapụ Osita bịa ka mụ na gị birizia..... Ọ gwara ya ka ọ dị nkwadobe mgbe ọbụla ọ biaghachiri Bini ka ọ kpọrọ ya laa Legọọsụ (ihu akwụkwọ 133)

3.2 Nsogbu Ịgba N'Iro Na –Ebute

Nwanchọcha chọpụtara na ndị odee akwụkwọ ndị a ezipụtaghị naanị ajọ agwa ụmụ nwaanyị lụrụ di na-akpa site n'igba n'iro, kama ha ziputakwuazịrị ntaramahụhụ so ajọ agwa a. Ntaramahụhụ ndị a chọpụtara bụ ;

3.2.1 Ihe Isiike

Ndị odee abụọ a ziputara na ụwa na-eme ntụgharị. N'ebe Ada nọ, ọ bụ onye na-eri etu ọ masịrị ya oge a na-alụ agha n'ihi ịgba n'iro ya. Ọ chere na ọ bụ ebe ahụ ka ụwa gwụrụ. Mane oge agha lara, gịnị mere? Ọnọdụ wee dagharia, ọgaranya ghọrọ ógbènye ebe ogbenye ghọọrọ ọgaranya. Ada malitere hụwa ihe isi ike nke na ọ hụghị ọbụladị nri ọnụ. Odee dere sị ;

> O foola Ada n'anya! Ihe bụ mkpa ya ugbu a abụghị ihe ndị na-achị achị ga-eji ego ahụ mee. Mkpa ya ugbu a bụ ihe ya na nwa ọ nọ n'aka enyi ya tụrụ ime ya ga na-eri..... Ụnyaahụ, Ada na-eri

> ihe dị mma, na-afịọ aka n'afọ. Ma ugbu a, ọ hụghị nke dị njọ rie, ma ya fọdụ nke dị mma ọ ga-eji rachaa ọnụ." (ihu akwụkwọ 200-201).

N'akụkụ nke Adamma n'*Onye Chi Ya Akwatughi*, agwọ na ihe ọ loro ehurura.Ọnọdụ gbanwekwara n'ebe ọ nọ. Bola ọ chere na ọ ga-alụ ya dị ka ọ kwere ya na nkwa bụ nke kpọọrọ ya ga dobe n'otu ọnụ ụlọ. Ụbọchị ọ soro Bola, ọ bịa hụ ya. Adamma amaghị na Bola a lụọla nwaanyị. Odee kwuru sị ;

> Bola pụtara otu ụbọchị gwa Adamma ka ọ jee ahịa. Na ọ ga-alọta n'oge eteghi aka. Ọ were ego Adamma ga-eji eri ihe nye ya, sị ya na ọ ga-abata tupu ego ahụ ga-agwụ. Bola gachara ahịa lọta lakwuru ndị be ya. Ọ dịghịzi ihe ọ ji Adamma kpọrọ. Adamma chekata ya, ego ọ nyere ya were eri ihe gwụchara. Ọ were nwayọọ na-eso ụbọchị, tachite obi were na-eche Bola" (ihu akwụkwọ 147).

Bola mechara gwa onye ụlọ ebe ahụ ka ọ chụpụ Adamma n'ụlọ ahụ. Oge a ka ụwa Adamma jiri kara ya njọ. Odee kwuru; 'Elu erughị ị ya aka, ala erughị ị ya aka. Ọ ghọzịa nwa uriom enweghị nnekwu na Legọọsụ. Adamma bụrụzịa akwụ chara n' ime ọhịa, onye gbutuo, ọ buru ". (ihu akwụkwọ 148).

3.2.2 Mkpụtọ ùgwù

Nnu abaghị uru ọ bụla ma ọ bụrụ na ọ tufuo ụtọ ya. N'*Isi Akwụ Dara N'ala*, Ada kpụrụ ugwu ya n'ala nke na ndị mmadụ tinyere enyi ya nwoke ahụ ọ mụtaara nwa eweghị ya ka ihe ọ bụla. Oge Ada gakwuuru enyi ya nwoke ahụ ọ mụtaara nwa ka ọ lụwa ya, nwoke ahụ gwara ya okwu mkparị sị ;

> Ada, ka m gwa gị eziokwu. Nke mbụ bụ na alụọla m nwaanyị. I lepụ anya n'ezi, ị ga-ahụ ụmụ aka abụọ na-egwuri egwu. Ha abụọ bụ ụmụ m. Chukwu na-arụrụ m ọrụ ugbu a bụ na nwunye m anọghị n'ụlọ. Agaghị m alụ nwanyị abụọ. Nke ọzọ, ọ bụrụ na achọrọ m ịlụ nwaanyị abụọ, ọ bụghị gị ka m ga-alụ, n'ihi na e ji ihe mere n'oge ochie amara ihe ga-eme n'ọdịnihu. Ọ bụrụ na mụ alụọ gị, mechaa dabaa n'ụdị ọnọdụ nna gị ukwu bụ Chike nọ mgbe a na-alụ agha, ị ga-eme m ụdị ihe ị mere ya. Nne, isi m agaghị aba n'ọba e kere ede." (ihu akwụkwọ 202).

Nkea gosiri n'ezie na nwaanyị ịgba n'iro bụ ihe atịtị nyere ugwu nwaanyị. Ọ nweghị nwoke na-akpachara anya alụ nwaanyị na-agba n'iro. Ụmụ nwaanyị dị otu a na-adị mma imesa enyi naanị. Ha adịghị mma ọlụlụ.

3.2.3 Ajọ Ndụ

N'ihi arụ Adamma kpara site n'itinyere dị ya bụ Osita ọgwụ na nri tupu ọ soro Bola laa Legọọsụ, ihere ekweghịkwa ya alaghachi Bini. Nke a mere o jiri nọrọzịa na Legọọsụ biwe ajọ ndụ. Odee dere maka ya sị ;

> Otú ndị Umungwu si wee mara na Adamma nọ Legọọsụ bụ na otu onye be ha nọ ebe ahụ arụ ọrụ lọtara kọwara ndị be ha otu o siri hụ Adamma n'otu nnukwu Họteelụ dị na Legọọsụ. Ọ bụ otú a ka ndị be ha sịrị mara na Adamma bụzi nnukwu akwụnakwụna na-anọ na nnukwu ụlọ oriri na ọṅụṅụ dị iche iche dị na Legọọsụ. (ihu akwụkwọ 148-149).

3.3 Ụzọ A Ga-Esi Belata Agwa Ịgba N'Iro

3.3.1 Ịgba alụkwaghịm

Ịgba alụkwaghị m, bụ "ụzọ e si ekewapụ di na nwunye iji gosi na o nweghị ihe ga-eme ka ha biri ọzọ" Ogbalu (1979:15). Ekwealor (2010:133) na-ekwukwa na ịgba alụkwaghịm "pụtara nkewa di na nwunye mgbe ha enwekwaghị ike ịnagide onwe ha". Ọ nweghị nwoke na-achọ ka ya na nwoke ọzọ na-akpakọ akwụ n'otu ukwu nkwụ. Ihe mbụ na mbụ nwere ike ibute nkwa din a nwunye bụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị ịgba n'iro. Ọ bụ nke a mere ka Chike n'*Isi Akwụ Dara N'ala* gbaa nwunye ya alụkwaghịm oge a nụchara agha. Ọ bụ ezie na Ada lọghachitere ịrịọ dị ya mgbaghara mana Chike kwuru na ọ bụrụ na di na nwunye bụ naanị maka oge ihe dị mma 'Di gbakwaa ọkụ

3.3.2 Ezi Ịhụnanya

N'iji belata agwa ịgba n'iro, ọ dịmma na ndị chọrọ ịbanye n'alụmalụ nwere ezi ịhụnanya n'etiti onwe ha. Nwaanyị ọ bụla chọrọ ịlụ di tosiri inwe ezi ịhụnanya n'ebe nwoke ahụ ọ na-achọ ịlụ nọ. ọ gaghị ekworo maka ihi ego were lụọ di dị ka Adamma siri mee n'*Onye Chi Ya Akwatughi*;

> Adamma maara na Osita alụọla nwaanyị,marakwa onye ahụ ọ na-alụ. Ma naanị ihe kacha tụkọọ ya akpịrị ka Osita lụọ ya bụ maka ego Osita. … Ozigbo Osita bịaara ya di, okweta ya naanị makaego ya. (ihu akwụkwọ 72)

Ọ pụtara na nwata nwaanyị kworo maka ihi ego lụọ di, ọ bụrụ na ego di ya daa ma ọ bụ hụ nwoke ọzọ ka di ya jide ego, ọ nwere ike igbasobe nwoke ahụ n'ihi na naanị ihe ọ chọrọ bụ ego ọ bụghị di.

3.3.3 Ezi Mmụta

Ụzọ ọzọ e nwere ike isi gbochie nsogbu agwa ịgba n'iro n'ebe ụmụ nwaanyị lụrụ di nọ bụ inye nwata nwagbọghọ ọ bụla chọrọ ịlụ di ezi nkụzi banyere alụmalụ. Ndịmụrụ ha tosiri inye ha ezi ndụmọdụ banyere alụmalụ ọ kachasị ime ka ha mata na alụmdi na nwunye nwere oge oji atụ ụtọ ụto ma nwekwaa oge ihe ilu na-abata na ya. Ka ha were obi ọcha nabata ọnọdụ ọ bụla ha hụtara onwe ha na ya ma mata na o tee aka ọ dị njọ na ọ ga-adị mma. Nke a ga-eme ka jha ghara ịkpa ụdịrị agwa ahụ Ada kpara n'*Isi Akwụ Dara N'Ala* oge Ada ji maka ihi nsogbu agha dapụtara nke mere ka di ya Chike tufuo ihe niile ọ nwere wee malite iso ụmụ nwoke ndị amị iji nweta ego.

4.0 Nchịkọta /Mmechi

Site n'ihe ndị a chọpụtara n'akwụkwọ ndị a a họọrọ, a chọpụtara na ndị odee agumagu na-esi n'ụzọ dị iche iche agba n'anwụ ihe ndị na-emegasi n'ụwa na oge a nọ n'ime ya. Ọzọ bụ na ha na-agba mbọ ị wepụta ajọ agwa dị iche iche ndị mmadụ na-akpa, gbaa agwa ndị dị otú a n'anwụ ma katọọ ha. Ha na-esi n'ụzọ dị otú a adọ ndị mmadụ aka ná ntị iwezuga onwe ha n'ajọ omume ndị a iji gbanahụ ntaramahụhụ so ha.

N'iduazị abụọ a họọrọ, a hụrụ etu ndị odee ha si gbaa n'anwụ ajọ agwa ụmụ nwaanyị lụrụ di na-akpa site n'igba n'iro. A chọpụtara ihe ndị nwere ike ibute ajọ agwa ndị a dị ka, oke ọchịchọ, ọnọdụ ọjọọ na-adapụtara mmadụ nakwọa oge nwoke adighịka ọ na-adịbu. A chọpụtakwara ọnọdụ ọjọọ ajọ agwa a na-ebute dị ka; ihe isi ike, mkpụtọ ugwu nakwa ajọ ndụ. ụzọ e nwere ike isi gbochie ajọ agwa a dị ka nchọcha a si zipụta bụ ịgba alụkwaghịm, inwe ezi ịhụnanya tinyere ezi nkụzi nyere ndị na-achọ ibanye n'alụmalaụ. Nwa nchọcha ji ohere a agwa ọha mmadụ ọ kachasị ụmụ nwaanyị lụgoro dị ka ha gbaa mbọ hụ na ha chekwara ugwu ha. Ka ha mata na di bụ ugwu nwaanyị n'ezie.

Edensibịa

Akporobaro, F.B.O. (2012), *Introduction to Fiction.* Lagos: Princeton Pub.

Anaekeokwu, U. R. (1998), *A New Approach To Literary Appreciation.* Enugu: FormatPublishers.

Duru, T. (2014), *Standard Literature-in-English.* Owerri: Standard Publishers. Ekwealor, C.C. (2010), *Omenala Na Ewumewu Igbo*. Onitsha: African FirstPublishers

Ikekọnwụ, C., Ezikeojiakụ, P., Ụbanị, A., and Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọji na Grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Kevin, L. (2012), Moralist Criticism. Retrieved fromhttps://prezi.com/2iou0njas86h/moral-criticism/ 15th April, 2020.

Nwokoye, A. N. (2019), *Abụ Ikpe: Ngwaọrụ Na-Agbazi Usoro Obibi Ndụ.*Onitsha: Noben Press

Nzeako, J.U.T. (1972), *Omenala Ndi Igbo.* Lagos: Longman Nig.

Obichukwu, O. (2009), *Elements of Literature.* Lagos: Treasure Pub.

Ofomata, C.E. (2000), Onye *Chi Ya Akwatughi*. Enugu: Format Publishers.

Ofomata, C.E. (2004). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke Ndị Sinịọ Sekọndịrị.*Enugu: FormatPublishers Ltd.

Ogbalu, F. C. (1979), *Omenala Igbo.*Onitsha: Varsity Press.

Okoh, N. (2008). Preface *to Oral Literature*. Onitsha: Africana First Publishers.

Osuagwu, B. I. (1979), *Ndi Igbo Na Omenala Ha.* Lagos: Macmillan Nigeria Pub.

Purdue, O.W. (2020). Moral Criticism and Dramatic Construction (~360BCPresent). Retrieved fromhttps://owl.pordue.edu/owl/subject_specific_ writing/writting_in_literature/lierary_theory_and_schools_of_criticism/ moral_criticism_dramatic_construcion.html

Ubesie, T.U. (1973), Isi *Akwụ Dara N'Ala*. Ibadan: Oụford University Press.

Umeọdịnka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ọgwụdile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I. (2019). *KpọkọpịỤtọ Asụsụ Igbo Na Ntụgharị Maka Ndị Sekọndịrị Na Mahadum*. Awka: Divine Printing and Publishing Co